# IJI ỤLỌ MGBASA OZI KWALITE NKỤZI NA ỌNỌDỤ ASỤSỤ IGBO NA MAHADUM

**Daniel Ihunanya Ilechukwu**

**Ụmị Ederede**

*Asụsụ bụ nnukwu ngwa ọrụ pụtara ihe na-enye aka maka nzikọrịta ozi, mmekọrịta mmadụ na ibe ya na agụmakwụkwọ. Nnukwu mkpa asụsụ dị na ndụ mmadụ emeela ka o doo anya na ọ bụ asụsụ bụ ndụ agbụrụ ọ bụla na kwa ísí omenala ha. Mmekọrịta maọbụ mkpakọrịta mmadụ na ibe ya nke bụ otu n'ime njirimara mmadụ bụ asụsụ na-eme ka ọ dị ire. Asụsụ bụ ihe na-egosipụta ákụ́kọ́ agbụrụ ọbụla ma bụrụkwa ihe ngosipụta njirimara ndị. N'agbanyeghị mkpa ndị a niile asụsụ dị, ọ dịzi ka a ga-asị na asụsụ mbịa mbịa dị ka Bekee na ụmụ nne ya na-achọzi ka asụsụ Igbo nyere ha efe kpam kpam ka ha weghara ọnọdụ ya. Nke a pụtara ihe nke ọma gbasara etu e si ewe onye na-asụ Igbo dị ka iti mpataka, onye nzuzu ma ọ bụ onye ime obodo. Nsogbu nchọcha a chọrọ igbo bụ ime ka ụmụ akwụkwọ ndị nọ n'ụlọ akwụkwọ mahadum amụ Igbo dị ka GS bụ ndị che na Igbo adịghị ha mkpa mata na echiche ha adabaghị, n'ihi na e wezuga asụsụ onye, ị mara na o nweghị ebe onye ahụ si. Tinyere na ọ bụrụ na Bekee dị mkpa n'ọmụmụ GS, Igbo dị mkpa karịa dị ka asụsụ nke anyị. Ebumnobi nchọcha a bụ na e nwere ike iji ụlọ mgbasa ozi dị ka ngwaọrụ dị ire iji mee ka ụmụ akwụkwọ a na-ekwu maka ha ghọta ihe a na-ekwu nke ọma ma nye aka kwalite nkụzi Igbo na ọnọdụ ya jọrọ njọ ugbu a. Atụtụ e ji nyochaa ederede a bụ nke Nkụzi na Mmụta Lawrence (2011) bụ nke kọwara na e nwere ike iji ngwa nkụzi ụfọdụ mee ka nwa akwụkwọ mata mkpa ihe a na-akụziri ya dị. A kọwara ihe bụ nkwalite asụsụ, ụlọ mgbasa ozi, mbọ ndị ụlọ mgbasa ozi gbara mgbe gara aga na mbọ ha ka na-agba ugbua n'ederede a. Ederede a ga-abara ndị na-akụzi nkụzi na mahadum uru. Ọ ga-abara ndị ụlọ mgbasa ozi uru; baara ụmụ akwụkwọ na-amụ Igbo na mahadum uru ma bakwaara ndị na-ahazi ọmụmụ asụsụ Igbo na mahadum uru. A tụrụ aro dị iche iche ma chịkọta ihe niile e dere n'ụzọ dị nke nke.*

**Mkpọlite**

Asụsụ bụ ihe mbụ na-egosi njirimara mmadụ. Asụsụ dị oke mkpa na ndụ ndị e ji asị na 'asụsụ bụ ndụ mba.'Ụfọdụ na-asị na onye enweghị asụsụ enweghị ebe o si maka na o nweghị ihe ọ ga-eji gbara onwe ya. Mmekọrịta na mkpakọrịta mmadụ na ibe ya agaghị enwe ike ịdị ire ma ọ bụrụ na e wezuga asụsụ. Ọ bụ asụsụ ka e ji akọ akụkọ ala ndị; ya ka e jikwa ezipụta omenala ha. N'agbanyeghị uru ndị a asụsụ bara, asụsụ mbịambịa bụ Bekee na-akpa asụsụ Igbo na-akpasi ya ike ka ọ kpagbuo ya nke na ọ bụrụ na a kpachapụghị anya, asụsụ Igbo nwere ike nwụọ n'aka asụsụ Bekee oge eteghị aka. O dị mkpa ka a mata na agbụrụ ọ bụla asụsụ ha nwụrụ bụ nnukwu onyinye Chukwu nyere ha ka ha tufuru na nkịtị naabọ n'agbanyeghị ihe ha ga-asị na ọ bụ ya kpatara ya.

Ederede na akụkọ gbasara etu asụsụ agbụrụ ụfọdụ dị na mba Afịrịka si anwụ amalitelarị kemgbe njedebe afọ 1990 ma ka na-aga n'ihi rue ma taa. Asụsụ Igbo so n'otu n'ime asụsụ ndị ahụ a na-ekwu maka ọnwụ ha na mba Naijiria. Ihe a chọpụtara kara kpata ọnwụnwụ asụsụ Igbo bụ e jighị ya kpọrọ ihe n'ebe ndị Igbo nọ na e nweghị nnukwu ọnụọgụgụ ụmụ akwụkwọ ndị na-amụ ya n'ụlọ akwụkwọ dịgasị elu. Ndị dị ka Igboanụsị, Salawu na Fabunmi (2004) akwaalarị akwa kwasie ike site n'ederede ha na ọ bụrụ na akpachaghị anya, na asụsụ Igbo nwere ike iso n'ọnụọgụ asụsụ ndị ga-anwụ pịị n'ala Naijiria.

Asụsụ ọ bụla ndị ntorobịa nwe ya na-agbara ọsọ ịsụ ya ga-ezuterịrị ihe mkpọbi ụkwụ n'ọdịnịhu. O nweghị mgbagha ọ bụla dị ya na Igbo abanyela n'ọnọdụ ọjọọ dị etu a. Igboanụsị

kwuru na ọnụọgụgụ ndị ntorobịa ugbu a abụghị ihe ọnụ ga-akọcha. I jekwuzie n'ụlọ akwụkwọ dị elu, ị gaghịzi ahụ ụmụaka na-etinye akwụkwọ na ha chọrọ ịgụ Igbo.

Ederede a gosipụtara na otu n'ime ụzọ e nwere ike i si mee ka asụsụ Igbo too ma guzorokwa chịm bụ site iji ndị ụlọ mgbasa ozi gbasaa ozioma banyere nnukwu ihe ọdachi dị na mmadụ ịhapụ asụsụ nke aka ya ka ọ nwụọ. Site n'ụzọ dị etu a, a ga-emepe anya ọtụtụ ndị ịmakụ asụsụ Igbo na ịsụ ya.

Gbasara nsụpe asụsụ Igbo n'ederede a, rukwee taa, a ka na-enwe ndọrọ ndọrọ gbasara ndekọ na ndesa asụsụ Igbo. Ọ bụ ya kpatara na e nwere otu abụọ gbasara ndekọ na ndesa asụsụ Igbo. Ihe ọ pụtara bụ na odee ọ bụla nwere ike ịhọrọ idesa okwu edesa ma ọ bụ idekọ ya ọnụ ma kwụdosie ike na nke ọ bụla ọ họọrọ. N'ihi ọnọdụ a, odee ederede a họọrọ idesa okwu edesa bụ nke kara daba n'usoro ụtọasụsụ Igbo  maka na ndị na-edekọ ọnụ bụ asụsụ Bekee ka ha na-elere anya eme nke a. Iji ma atụ, ọ bụrụ e nwere ihe dị ka teachers na Bekee, ndị ndekọ elere anya na ọ bụ otu okwu na Bekee mee ya otu okwu n'Igbo ebe o doro anya na asụsụ ọ bụla nwere ụdịdi ya. E kwesịghị ị na-esi  n'otu asụsụ amụ asụsụ ọzọ n'ihi na a ga-enwerịrị mmejọ. Ọ dị mkpa ka e kwuwaa na Igbo bụ Igbo, ebe Bekee bụ Bekee. Nke ọ bụla gabara onwe ya ka mgbagwoju anya ghara ịdị n'ọmụmụ na odide asụsụ. N'ikpeazụ, ọ dịkwa mkpa ka a rụtụ aka na odee gbadoro ụkwụ na nsụpe mkpụrụokwu dị ka ọ dị n'Ọkaasụsụ Igbo nke otu SPILC wubere ma gbaso iwu ụtọasụsụ Igbo sụpee okwu ndị ọzọ adịghị n'Ọkaasụsụ site n'idesa okwu edesa dị ka ọ họọrọ.

## Ụlọ Mgbasa Ozi

Ụlọ mgbasa ozi bụ ebe e si agbasa ozi n'ụdị ọ bụla nye ọha na eze, ebe e si agbasa ebumnobi mmadụ na kwa ebe e si akụziri ọha na eze ọtụtụ ihe ha amaghị ga-enyere ha aka na ndụ. Ozi a niile na-esi n'ụlọ mgbasa ozi gbasakwuru ọtụtụ mmadụ nọ n'ebe dị iche iche n'akụkụ dị iche iche. Ụzọ dị iche iche ndị ụlọ mgbasa ozi si agbasa ozi gụnyere: akwụkwọ akụkọ, magazinụ, rediyo,televishọnụ, sinima, ọwa ozi, wdg. E  ji ụlọ mgbasa ozi eme ka ọha na eze mata echiche ọhụrụ site n'otu ebe gaa ebe ọzọ. Ya mere e ji asị na ụlọ mgbasa ozi dị ezigbo mkpa maka ọrụ mmepe n'ihi na e ji ya atụlekọrịta echiche dị iche iji mata nke bụ kpoo. Ọrụ anọ ndị a dị n'okpuru ka ụlọ mgbasa ozi na-arụ:

1. Inweta ozi na izisa ozi ahụ.
2. Ịkọwa ozi etu ọha na eze ga-esi ghọta ya.
3. Ịkụziri ọha na eze ihe ha amaghị.
4. Ịkpa ọha na eze obi ọma mgbe ha nọ nkịtị.

I lee anya, ị ga-ahụ na e wepụ asụsụ, ọrụ anọ ndị a agaghị adịnwu ire. Enwere, (2004) sị na ụlọ mgbasa ozi bụ otu ebe doro anya e si achịkọta ozi were ezisa ya ebe niile. N'aka nke ya, Opubor (1985) kwuru na ụlọ mgbasa ozi nwere ike ime ka ihe dị nzuzo pụta ihe. Ọ bụkwa ya na-eme ka onye amaghị ama bụrụ onye a ma ama. Bittner (1977) sị na ọ bụ site n'ụlọ mgbasa ozi ka ọha na eze si ama ihe ha amaghị mbụ.

A bịa n'ihe gbasara ike ụlọ mgbasa ozi nwere n'ịkwalite ọmụmụ asụsụ, Egbokare (2004) kọwara na ụlọ mgbasa ozi bụ nnukwu ngwa ọrụ mmepe. Ime ka ndị ụlọ mgbasa ozi mata maka asụsụ ọ bụla ma ọ bụ were ya na-ezisa ozi, bụ etu pụtakarịchara ihe e si kwalite ọmụmụ asụsụ ahụ. Egbokare kwuru na ọ bụ ụlọ mgbasa ozi na-enye aka ime ndị ntorobịa na ụmụ na-eto eto ịmata olu asụsụ nke nne ha ma mee ka ha mara na mmadụ ịsụ olu nne ya apụtaghị na o nweghị ihe onye ahụ maara ma ncha. Ya bụ na agbam mbọ nke ndị ụlọ mgbasa ozi kwa ụbọchị ọ bụla

site na redio na televishọ na nkụzi na nkwalite asụsụ Igbo nwere ike ime ka ọtụtụ nwebe mmasị na ya.

**Ọnọdụ Asụsụ Igbo na Najiria na Etu Ndị Mmadụ Si Emeso Ya.**

Naịjiria bụ obodo Briten chịrị n'oge gara aga. Ọ bụ ya kpatara na asụsụ ọchịchị ndị Naijiria bụ Bekee rue taa maka na asụsụ ndị Briten bụ Bekee. N'agbanyeghị na Naijiria bụ obodo juputara n'asụsụ ruru narị iri atọ na ise mana ọ kabụ otu asụsụ Bekee ahụ ka e ji jikọta agbụrụ niile ndị a niile nwere asụsụ nke ha dị iche iche. Na Naijiria taa, asụsụ Bekee abụghịzi naanị asụsụ a na-asụ e ji azụ ahịa, agụ akwụkwọ, achị ọchịchị, agbasa ozi, ekpe ikpe, kama na ọtụtụ ezi na ụlọ taa bụ asụsụ Bekee ka ha ji azụ ụmụ ha. Ọ bụ nnukwu ọkwa a asụsụ Bekee nọ na ya mere ọtụtụ ji enwe mmasị n'asụsụ Bekee karịa asụsụ Igbo. Ọnọdụ dị etu a emeela ka asụsụ Igbo na-emikpu ala. N'ibi okwu nkenke, emekpaala asụsụ Igbo ahụ nke ukwu nke na ọtụtụ na-ebuzi amụma n'ụzọ dị iche iche na Igbo ga-anwụ n'ọdịniihu ma ọ bụrụ na a kpachapụghị anya.

Oyetade (2001) kwenyere na nkọwa a e nyere n'elu n'ihi na ọ sị na ihe niile gbasara iwu, ikpe, atụtụ gọọmentị, ụtụ isi, na ihe ndị ọzọ gbasara mmadụ bu ụzọ malite n'asụsụ Bekee na Naijiria niile mgbe ndị Briten chịrị Naijiria. Ọ bụladị n'ebe ọ metụtara sayensị na teknọlọji, ọ bụ otu asụsụ Bekee ahụ ka e ji eme ha niile. Ya kpatara na o nweghị asụsụ na-ama asụsụ Bekee aka n'ihu rue ma taa na Naịjiria.

Etu o sila dị, ọ dị mkpa ka a mata na ọ́kwá ma ọ bụ ọnọdụ ọ bụla asụsụ Igbo ga-enwe bụ n'aka ndị Igbo ka ọ dị. Ugbu a asụsụ Igbo adaruola nke na ma n'ọgbakọ nzukọ, ọchịchị, mmemme, wdg, ọ bụ asụsụ Bekee ka ndị Igbo ji eme ha maka ha were ya na ndị ji Igbo mee ihe ndị a, a na-ewe ha ndị iti mpataka ma ọ bụ ndị amaghị akwụkwọ. Ọ bụ naanị n'ogogo ezi na ụlọ ka ụfọdụ na-ejisi ike asụ Igbo. Mana marakwa na ụfọdụ ezi na ụlọ bụkwu Bekee ka ha ji azụlite ụmụ ha n'ala Igbo. Ọ bụrụzie na ụmụaka too, ha agaghị ama Igbo nke ha ji ama Bekee nwanụ ha ji eme ọnụ. Ọ bụ eziokwu na ụfọdụ n'ime ụmụaka ndị ahụ ma asụsụ Bekee, mana nke bụ eziokwu bụ na onye ma asụsụ Bekee amaghị asụsụ Igbo dị ka onye e nweghị ebe o si. Ọnọdụ dị etu a na-efunarị mmadụ ọtụtụ ihe maka na onye Igbo ma naanị Bekee agaghị abụnwu gọvanọ n'ala Igbo. Ihe anyị ji kwu etu a bụ na ọ bụghị Bekee ka ọ ga-eji jee nta vootu n'ime obodo dị iche iche n'oge ntụnye aka.

Nke jọgbuziri onwe ya a na-ahụ n'ụlọ akwụkwọ praịmarị na sekọndịrị bụ ịmachi ụmụ akwụkwọ ịsụ Igbo ma ọ bụ iji ya kpakọrịta nkata. Ndị isi ụlọ akwụkwọ na ndị nkuzi a na-eme iwu a ka o sie ike nke na nwata akwụkwọ ọ bụla dara iwu a na-anata nnukwu ntaram ahụhụ. Ụfọdụ na-ana nwata dara iwu a obere ego dị ka ụzọ isi taa ya ahụhụ. Ihe kpatara nke a bụ na ndị nkụzi were ya na ọ bụ ihe ihere ịsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ. Ụfọdụ chekwu na nwata maara akwụkwọ juru ụwa niile mana ọ maghị Bekee amaghị akwụkwọ.

Otu ihe pụtara ihe e ji asị na Igbo adaruola ala bụ na i jegharịa taa, ị ga-achọpụta na ọtụtụ ndị Igbo ma ka e si asụ na ka e si ede Bekee maka ọnọdụ dị iche iche mana ọtụtụ n'ime ndị ahụ a na-ekwu amaghị etu e si asụ Igbo ma ya fọdụzie ide ya ide. Ihe ọghọm ga-aputa n'ọnọdụ a bụ na ọ bụrụ na emeghị ihe gbasara nke a ugbu a, ị mara na ụmụaka e nwere n'oge ugbu a n'ala Igbo ga-abụ ndị agaghị ama ihe bụ 'bịaa' ma ya fọdụzie iji Igbo kpaa nkata n'ọdịnihu. Ọ bụrụ na ihe dị etụ a mee ma Chukwu ekwela, ị mara na Igbo na ndị nwe ya ga-efu kpamkpam. Nke a ga-ajọgbu udele sigbuo nkakwụ.

Crystal (2000) nabatara ihe ndị a e kwuru n'elu maka na ọ sị na ọ bụrụ na agbụrụ ọ bụla agaghị enwe ike ijidete ndị ntorobịa ya ide na ịsụ asụsụ ya, ị mara na agbụrụ ahụ nwere nnukwu nsogbu. Nke a bụ ụdị nsogbu asụsụ Igbo na-achọ ịdaba na ya. N'ibi okwu nke nke, mmeso ọjọọ ndị Igbo na-emeso Igbo na-achọ igburu Igbo ala. Nke a nwaa anwa mee ndị Igbo, ị mara na anyị

ga-ata onwe anyị ụta n'ọdịniihu. Ụmụ Igbo, chetanụ na onye kpọọ ọba ya mkpọkọrọ ụmụaka e jiri ya kpoo ahịhịa.

## Ọnọdụ Asụsụ Igbo N'Oge Ugbu A

Ọtụtụ ndị nne na nna n'ala Igbo chọrọ ka ụmụ ha buru ụzọ mụta asụsụ Bekee tupu ha amụta asụsụ Igbo. Ụfọdụ achọghịkwu ịma ma ụmụ ha amụtara Igbo ma ọ bụ na ha amụtaghị ya. Ụfọdụ anaghịzi ekwe ụmụ ha ịnọ ebe a ga-eji Igbo metọ ha. Ha were ya mmetọ maka na n'uche ha, nwata na-asụ Igbo werewere bụ iti na mgbeke. Igboanụsị (2004) bụ otu na ndị na-akwa nnukwu arịrị gbasara etu esighị ahụzi ụmụ akwụkwọ na-etinye akwụkwọ maka ịgụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ dị elu. Ọ ji mahadum dị n'Ịbadan maa atụ mgbe o chetara na o nwere mgbe NUC jụwapụrụ isi inye akwụkwọ ntozu maka ọmụmụ asụsụ Igbo na mahadum ahụ. Nke a wetaara ọmụmụ asụsụ Igbo nnukwu ndọchigha elekere aka azụ na mahadum ahụ mgbe ahụ.

Ọ bụghị naanị na mahadum ka e nwere ụ̀kọ́ ụmụ akwụkwọ na-amụ Igbo. Ọ bụrụ na i jee na ngalaba Igbo na kọleeji kedukeshọn dị iche iche dị n'ala Naijiri, ị ga-ahụ na nke ọ bụla dị ka ebe a gbara ọsọ agha. Mana i jee na ngalaba ọmụmụ Bekee, ụmụ akwụkwọ ejupụta ka a ga-asị na a na-anwụ anwụ. Ihe nke a ji jọọ njọ bụ na ọ bụ na kọleeji ndị ahụ ka e mebere ịzụta ndị nkụzi tozuru oke maka ịmụ nkụzi Igbo n'ụlọ akwụkwọ praịmarị na sekọndịrị bụ ebe ndị ntọala ọmụmụ asụsụ na-amalite. Ihe ọghọm dị na nke a bụ na ọ bụrụ na e nwetaghị ndị a zụrụ na koleeji kedukeshọn, ị mara na e nweela ụkọ ndị nkụzi ozugbo.

A chọpụtara na ọ na-abụrụ ọtụtụ ụmụ akwụkwọ ihe ihere iche echiche itinye akwụkwọ maka ịgụ Igbo na mahadum ma ya fọdụzie ibili jee eje. Ndị nke jisiri ike jee eje, ọ bụrụ na mmadụ jụọ ha ihe ha na-agụ na mahadum, ha asị ya na ọ bụ lingwisitiki maka na ha were ya na mmadụ ikwu na ọ na-agụ Igbo bụ nnukwu ihe ihere. Ụfọdụ ụmụ akwụkwọ nọ na ngalaba Igbo na mahadum Nnamdị Azikiwe na-abụ ha jebe akwụkwọ ụbọchị e nwere Igbo ha ejiri akwụkwọ Bekee dochie nke Igbo ha ji ka a ghara ịma na ha bụ ụmụ akwụkwọ si na ngalaba Igbo.

Ụmụ akwụkwọ ndị nke a na-akụziri GS 108 na GS 109 si na fakọlti dị iche iche enweghị ihe ọ bụla ha kpọrọ GS Igbo. Uche ụfọdụ n'ime ha bụ na onye webatara nkụzi Igbo na mahadum bụ onye nzuzu. Ya kpatara na ọtụtụ anaghịkwu agba mbọ ha kwesịrị ịgba iji mee nke ọma na GS Igbo. N'ihi ńgàlá, ụfọdụ n'ime ha na-eme kama ha ga-ege ntị mgbe a na-akụzi ihe, ha a na-emere onwe ha mkpotụ, ọ bụrụhana na onye nkụzi akụzichaa pụta iro ka ọ pụọ, ị hụ ndị nke ga-abịa ịrịọ onye nkụzi ka o nye ha nọmba. Ihe ha na-arịọrọ nọmba onye nkụzi bụ ka ha kpọọ ya mara ma ọ ga-anara ha ego bufee ha n'ule. Mana ọ bụrụ na onye nkụzi ajụọ ya ozugbo ahụ ihe ọ na-anara ya nọmba. ọ sị na ya amaghị asụ Igbo na ọ bụ ka ọ mara ma ọ ga-abịa ka a kụzieere ya n'ụzọ pụrụ iche. Ọ dị mkpa ka a mara na onye dere ederede a emenubeghị asụsụ French na ndụ ya. Mana mgbe ọ bara mahadum, o mere French dị ka ihe amụmamụ fakọlti onye ọ bụla ga-emerịrị n'afọ nke mbụ na nke abụọ ma gafee n'ule ha. Gịnị meziri na nwata akwụkwọ bụ onye Igbo agaghị agụsinwu akwụkwọ ike iji gafe n'ule GS Igbo.

Ọtụtụ ndị Igbo taa were asụsụ Bekee dị ka asụsụ na-eme ka mmadụ hụ ụzọ wee nweta ezi ọrụ Bekee. Ihe kpatara nke a bụ na mgbe ndị ọchịchị Briten nọ na Naijiria, otu ihe nwere ike inyere onye Igbo aka inweta ọrụ Bekee bụ ịma etu e si asụ Bekee. Onye amaghị asụ Bekee n'oge ahụ tọrọ atọ. Ọ bụ ndị Igbo maara asụsụ Bekee na-atapịrị ndị ọcha ihe e kwuru n'Igbo n'asụsụ Bekee. Nke a mere ka ndị maara Bekee nwee nnukwu ohere iru ndị ọcha nso na inweta ihe ha chọrọ n'aka ha n'oge ahụ. Ya mere onye Igbo ọ bụla ji agba mbọ oke o nwere ike iji hụ na ọ mụtara Bekee. Ọ ka bụ otu ihe ahụ na-eme rue taa.

Ya bụ na ọ baghị uru ikwu na ọnọdụ asụsụ Igbo n'oge ugbu a jọrọ nnukwu njọ maka na e jighi Igbo akpa gbasara ihe ọ bụla na-eme na gọọmentị. E jighị Igbo akpa ihe gbasara ọchịchị. E jighị Igbo ekwu ihe gbasara agụmakwụkwọ ma ncha nke e ji eji ya akpa maka akụ na ụba.

**Ọrụ Ụlọ Mgbasa Ozi Rụrụ N'ỊKwalite Nkụzi na Ọnọdụ Asụsụ Igbo N'Oge Gara Aga**

Site n'ọrụ a kọwara na mmalite ụlọ mgbasa ozi na-arụ, o nweghị mgbagha ọ bụla dị na ya na ụlọ mgbasa ozi bụ nnukwu ngwa ọrụ pụtara ihe e nwere ike iji kwalite ọnọdụ asụsụ Igbo. Mgbe ndị ọcha na-achị Naijiria, ha maara na mmụta na-aka aga ọsọ ọsọ ma e jiri asụsụ nne mmadụ kụzieere ya ihe, e mechazie o jiri nwayọ mụta asụsụ mbịambịa. Ya kpatara na ọ bụ Igbo ka e ji akụziri ndị Igbo ihe n'oge ahụ. E mechaa a kụzizieere ha otu ihe ahụ na Bekee. O teelerị ndị ụlọ mgbasa ozi ji agbasa ọmụmụ asụsụ olundị site n'igwe redio, televishọ na akwụkwọ akụkọ. Mata na akwụkwọ akụkọ mbụ na mbụ e bipụtara na Naijiria bụ n'asụsụ Yoruba ka e bipụtara ya. Ọ bụ akwụkwọ akụkọ ndị Yoruba nwe ka ọ bụ nke aha ya bụ "Iwen Irohin" (Enwere 2004). Ndị Yoruba ji akwụkwọ akụkọ a depụta ọtụtụ ihe banyere azụmahịa, ọnwụ, ndụ, ekpemekpe, ọchịchị, akụ na ụba, mmebe iwu, wdg. Ndị Briten maara uru dị n'olunne mmadụ wee jiri ya kụziee ihe niile gbasara ozi ọma na chọọchị na kwa n'ebe ndị ọzọ dị iche iche.

N'otu aka ahụ, ọ bụrụ na i jee na mgbago ugwu, ị ga-achọpụta na ndị otu alakụba wubere ihe ha kpọrọ 'Labarin Ekklesiya (Moslem Chronicles) n'afọ 1947. Ọ bụ site na ya ka ndị ụlọ mgbasa ozi si nweta mkpụrụokwu ndị ha na-agbasa n'ikuku site na redio, televishọn na akwụkwọ akụkọ dị iche iche. Mgbe ọ bụla e bipụtara okwu ọhụrụ ndị a, ọha na eze ndị Yoruba e jidesie ya ike ma tinye ha n'ọkọwa okwu ha. Mgbe ahụ ndị nkụzi n'onwe ha enwee ihe ha ji aka akụzi nkụzi ha n'ụlọ akwụkwọ.

**Iji Ụlọ Mgbasa Ozi Kwalite Nkụzi Asụsụ Igbo na Mahadum N'Oge Ugbu a**

Site n'ihe dị iche a kọwara n'elu, ọ dịghị mgbagha ọ bụla dị ya ikwu na ụlọ mgbasa ozi ga-abụnwu nnukwu ngwa ọrụ a ga-eji kụzi Igbo ma kwalite ọnọdụ ya na mahadum dị iche iche tụmadị ndị dị n'ala Igbo. I lee anya, ị ga-achọpụta na ọtụtụ ụlọ mgbasa ozi ndị e nwere n'oge ugbu a bụ ndị gọọmentị nwe ha. N'ihi ya, ha na-achọkarị inweta ozi ha ga-agbasara ndị na-azụ ahịa, ndị na-emepụta ngwa ahịa, ndị na-amalite ihe ọhụrụ na ihe ụlọ akwụkwọ dị iche iche na-agụ ma ọ bụ akụzigasị nke ga-enyere ha aka inwetaego ha ga-eji na-aga n'ihu na dị ka ụlọ ọrụ. I ga-achọpụta na ozi ndị a niile a na-agbasa na redio, television, mtanetị, foonu, akwụkwọ akụkọ, wdg, bụ n'asụsụ Bekee ka a na-eme ihe ka ha niile. Cheta na ụmụ akwụkwọ n'ogogo dị iche iche na-enwe mmasị ikiri ihe ndị a. Mgbe ha hụrụ na ọ bụ naanị na Bekee ka ndị mgbasa ozi na-egosi ihe ndị a niile, ha na-eche na o nweghị asụsụ ọzọ kwesịrị ka mmadụ mụta ma ọ bụghị Bekee. Nke a na-ewetara ndị nke nọ na mahadum mmụọ ịjụ oyi na adịghị uchu n'ịmụ Igbo ha na-amụ n'ụlọ akwụkwọ mahadum na ndị ọzọ. Ndị nke na-eme GS 108 na 109 n'aka nke ha na-eche na ebe ọ bụ na ihe niile a na-eme n'ebe niile bụ asụsụ Bekee, keduzi uru ọ bara na a na-akụziri ha Igbo na mahadum. Mana ọ bụrụ na ụfọdụ n'ime ozi ndị a na-agbasa na-abụ n'asụsụ Igbo n'ụlọ ozi ndị dị n'ọwụwa anyanwụ Naijiria, ụmụ akwụkwọ ga-ama na ọ dị mkpa na ha tinyere uchu n'ịmụ Igbo mgbe ọ bụla a na-akụziri ha ya n'ụlọ akwụkwọ. Ọ bụrụ na nke a mee, ndị nkụzi na-akụzi Igbo ahụ agaghịzi atagbu onwe ha n'ahụhụ ebe ọ bụ na ndị ha na-akụziri nwere mmasị n'ihe a na-akụziri ha maka na ọ bụ e nweghị mmasị na-ewetabu aghọtaghị ihe a kụziri na ọdịda a na-ada n'ule.

Ọ bụrụ na ị bụ onye na-esonyekarị n'ịnụ ma ọ bụ ikiri ihe a na-agbasa n'ozi n'oge ugbu a, ị ga-ahụ na o doro anya na ndị ụlọ mgbasa ozi dị ka ha na-achọzi iwepụ ihe emume ndị ahụ niile ha jibu akụzi Igbo n'usoro mgbasa ozi dị iche iche ma na-egosikarịzi ihe gbasara azụmahịa

na ngwa ahịa bụ ndị ka ewetara ha ego maka agamniihu ha. Iji maa atụ, otu emume a na-egosibu n' Imo Broadcasting Corporation (IBC) n'agbata afọ 1970 rue 1980 nke a kpọrọ NKỤZI IGBO adịghịzi taa. O teelarị e wepụrụ ya were ozi nkwalite azụmahịa nọchie anya ya. N'otu aka ahụ, ihe ngosi nke a kpọrọ OGE NDỊ Igbo na IBC bụ naanị nkeji iri anọ na ise e ji egosi ya ebe e kwesịrị inye ya o pekata mpe otu awa zuru oke ka o zuo ịkụzicha isiokwu ọ bụla e wepụtara ịkụzi mgbe ọ bụla. Ọ bụrụ na e nye nnukwu oge maka ihe ngosi a ma jiri ndị nkụzi ụfọdụ na-akụzi ihe na mahadum na-eme emume a, ndị nkụzi ahụ ga-eji ya mere nnukwu ohere ị na-ewepụta ụfọdụ isiokwu ha kwesịrị ị na-akụziri ụmụ akwụkwọ ha na klaasị na mahadum na-akụzi n'emume a ebe ọ bụ na ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị ikiri ihe dị ka televishọn na ige redio. Ọ bụrụ na ha na-ahụ ihe dị etu a mgbe niile, ọ ga-eme ka nke a na-akụziri ha na mahadu na-adịrị ha mfe. Ebe ọ bụ na ndị ụlọ mgbasa ozi na-esozi usoro ọgbara ọhụrụ agbasa ozi, ọ dị mkpa na ha ga na-etinye ụdị emume a n'ọwa ozi ka ndị ji ekwentị enweta ọwa ozi nwee ike na-esonye n'ụdị emume a.

N' Anambra broadcasting Service, o nwere ihe ngosi Igbo ha na-emebu ha kpọrọ Oge Ndị Igbo nke onye bụ onye nchịkọba ya bụ Oriakụ Nkiru Melụdụ. Melụdụ na-esi n'emume a n'oge ahụ akụzi isiokwu dị iche iche metụtara asụsụ Igbo n'Igbo. Taa ọ dịghịzi, e leghị anya n'ihi enweghịzi ndị na-akwado ya. Ụdị emume a kwesịri ka a kwalite ya ma site na ya na-ewepụta mkpụrụokwu ọhụrụ ọ bụla Igbo mepụtara n'oge ugbu a ka ọ gbasaa nke ọma. Ọ bụrụ na a hazie emume a etu kwesịrị ekwesị ma na-etinye ihe ọ bụla a kụziri na nke ọ bụla n'ọwa ozi, ọtụtụ ụmụ akwụkwọ ndị na-amụ Igbo na mahadum ga na-eji ekwe ntị ha esonye na ya mgbe niile ma ọ bụrụ na ha chọpụta na ọ bụ ndị nkụzi na-akụziri ha Igbo dị ka GS bụkwa ndị na-akụzi Igbo n'emume ahụ. Ya ka o ji dị mkpa na ndị na-ahazi GS na mahadum ga-enye aka ịkwado ụdị emume a ka ọ na-aga n'ihu ma kwado ndị nkụzi na-akụziri ha Igbo isonye n'emume a ka nkụzi Igbo gbasakwuo ma kpụrụ ọkụ n'ọnụ. E nwekwara ike ime ka FM dị iche iche dị n'ime mahadum soro na-agbasa emume ọ bụla ndị ngalaba Igbo ji akụzi Igbo. Ihe dị ka UNIZIK FM zuru ka e mee n'inye nnukwu aka gbasara ije ozi a.

N'otu agbata afọ 1970 na 1980, otu akwụkwọ akụkọ a kpọrọ CONCORD NEWSPAPER na steeeti Imo na-ebipụtabu akwụkwọ a kpọrọ "Udoka" n'asụsụ Igbo. N'oge ahụ ọtụtụ ndị Igbo na-ego ya ma na-amụta ihe dị iche iche gbasara ndị Igbo na ya. Ọ bụrụ na mahadum ọ bụla nwere ike i na-enye ndị ngalaba Igbo obere ohere ebe ha ga na-etinye ihe ụfọdụ gbasara isiokwu ndị ha na-akụzi na GS n'akwụkwọ akụkọ ha maka ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ, ụmụ akwụkwọ sị na fakọlti dị iche iche na-eme Igbo ga-amazi na Igbo bụ ya bụzi egwu e ji. Nke a ga-eme ka ha tinye uchu n'ọrụ. Ihe dị ka mahadum Nnamdị Azikiwe nwere akwụkwọ akụkọ a na-akpọ "UNIZIK BULLETIN." E nwere ike iji ya rụọ ọrụ dị etu a.

Ọ dị mkpa ka a mata na ọ bụrụ na ụlọ mgbasa ozi ga-abụnwu nnukwu ngwa ọrụ a ga-eji kuzi asụsụ Igbo iji kwalite ọnọdụ ya, na ndị nwe ụlọ mgbasa ozi ndị a ga-agba mbọ were ndị gụrụ Igbo n'ọrụ iji nye aka n'inyocha etu e si eme emume a mgbe niile ka ọ kwụrụ chịm.

## Nchịkọta

Ikụzi Igbo iji kwalite ọnọdụ ya ka ọ dị ka asụsụ ndị ọzọ e nwere na mba ụwa dị iche iche dị nnukwu mkpa. Ọ bụrụ na e nwere ike iji ụlọ mgbasa ozi kwalite ngwa ahịa, azụmahịa, akụ na ụba na ihe ndị ọzọ, a ga-ejinwukwu ya kwalite asụsụ Igbo ka ọghara ịnwụ.

Ebe ọ bụ na ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị n'emume dị iche iche ndị ụlọ mgbasa ozi ji Bekee eme, ọ bụrụ na e mee ka ụfọdụ bụrụ n'Igbo, ọ ga-abụ nnukwu ọhere na ụzọ ime ka nkụzi Igbo dịrị ndị na-akuzi ya mfe na mahadum. Asụsụ bụ ndụ mba ọ bụla. Ọ pụtara na agbụrụ ọ bụla e nweghị asụsụ nọ na nnukwu nsogbu maka na ha dị ka ndị furu efu. Ụmụ akwụkwọ anyị kwesịrị

ịma ka e si asụ asụsụ Igbo na ka e si ede ya iji chekwaba ya. O nweghị etu a ga-esi wepụ ụlọ mgbasa ozi n'akụkụ n' ime nke a.

**Edensibịa**

Bittner, J.R. (1997). *Mass Communication: An introduction* (5th ed.). New Jersy: Prentice.

Crystal, D. (1997). *English as a Global language*. Cambridge: Cambridge University Press.

Crystal, D. (2000). *Language Death. Cambridge:* Cambridge University Press.

Egbokare, F. (2004). 'Language and Contemporary Issues in Nigeria's Development' A lead Paper Presented at the 11th Biennial Conference of Modern Languages Association (MLAN).

Enwere, O.B. (2004). 'National language Policies in Nigeria:Issues at Stake' ( A Paper Presented at the 11th Biennial Conference of (MLAN).

Igboanụsị, H. (2004). 'Is Igbo an Endangered language? (A Paper Presented at the 24th West African Language Conference (WALC).

Opubor, A. E. (1985). *Mass Communication and Modern Development in Nigeria*. In Nwuneli, O.E. (ed.) *Mass Communication in Nigeria*: A Book of Reading. Enugu: Fourth Dimension Publishing.

Oyetade, O. (2001). 'Attitude to Forign languages and Indigenous Languages Use in Nigeria.' In: Igboanụsị, H. (ed) *Language Attitude and language Conflict in West Africa.* Ibadan: Enicrownfit Publishers.